# ASỤSỤ IGBO ETITI

Ọhù nke *Millennia 2015.*

Ebu m n'obi ọhù a abughi ihe aghụghọ ma ọ bụ okwu ụgha. Ọ bu ihe onyinyo nke e bu n'obi gbasara ọdi nihu, nke atụkatara ero ma kpebie n'udi nke aga aghọta ya nke ọma. Ọhù nke millennia 2015 sitere na ọtụtụ nari ihe ebum n'obi nke ọtụtụ mmadụ site na obodo di iche iche chepụtara site na ọnwa iteghete rue na ọnwa iri-na-abua nke afọ puku abua na iri-na-abua nke sikwara na ọkpụrụkpọ ihe asaa ahu ezukatara ọnụ chepụta (www.millennia2015.org/macro_issues). Mgbe emezisiri nke a, ọhù a ritere uru site na nchepụta nke ndi di iche iche, bu ndi otu millennia 2015 na kwa ntụghari uche nke ugbo abua na nzukọ nke ụwa n'ile nke ndi isi ụlọ UNESCO kpokotara na obodo ndi ọcha nke ana kpọ Paris site na abali nke atọ wee rue n'abali nke anọọ n'ọnwa iri-na-abua n'afọ puku abua na iri-na-abua bu afọ gara aga, tupu anabata ya makwa kesasia ya nye ndi n'ile nọọ na otu millennia 2015 n'ebe nile uwa sọtụrụ. *Na nkọwa okwu,* ọhù a bu ihe na agbawe agbawe. Ọ bu ụkpụrụ na aka eji gbazo ya ka aga eji mezue ya. A ga na gba so ya site na otu mpaghara nke ụwa rue na mpaghara nke ọzọ ma ọbụ site na otu obodo rue na obodo ọzọ. Ihe ga aputa n'ime nke a bu ihe ga egbo mkpa onye ọbula.

**Otu. Nmepe okwu: Ụmụ nwanyị na ụmụ nwoke ịkwerịkọta n'otu obi m'aka ọ dị nma nke ọdi n'iru**

Anyi ebughi n'obi iji ihe ịlere anya nke mgbe ochie banye n'afọ ndi n'abia abia. Obodo dị iche iche site na mgbe rue na mgbe nwere ebum n'obi na kwa otu ha na esi eleta ụmụ nwanyị na ụmụ ntakịrị ndi nwanyị nke na abụchaghi ezi okwu. Dika, ụmụ nwanyị na ụmụ nwoke enwe nmekọrịta, m'ọbụ ụmụ nwanyị na ụmụ nwanyị na enwe nmekọrịta ma ọbụ ụmụ nwanyị na agbanwe onwe ha ka ha bụrụ ụmụ nwoke, ha n'amụ ụmụ, m'ọbụ ha anaghi amụ, nke a bu ihe diri ha. Ọzọ kwa, nwanyị ọ bụla n'ụwa n'ile nwe ahụ ya. Ma ha bụ nne ma ha abụghi, ụmụ nwanyị nwere ike ikeke ikuziri ụmụ ha omenala, ihe <u>nmụta</u>, ịdị na otu na ihe n'ile nke ụwa dum kwekọtara na ọbụ ihe ọma ma ọbụ ihe ọjọ. ọtụtụ ụmụ nwanyị na ụmụ ntakịrị ndi nwanyị gbasiri ike site na nta ha na ibuli ezi n'ụlọ ha, i hu na ezi n'ụlọ ha na digide, ikpuchite ha site n'ọria, ịlekata na kwa ikesa ihe ha nwere ka ọ bara onye ọbụla maka ọ dị nma na kwa ọ ga n'iru nke onye ọbụla. Ha siri ike, gbasie kwa ike, n'agbali na

ilekọta ọtụtụ madu ya bụrụ kwa na ahụ esighi ha ike. Ma onwere otu nsogbu di: O nwere nghọtahie nke ana enwe n'ebe ụmụ nwanyị di. Nke a bido kwara site na mbido nke ụwa, o bughi nani mgbe ha n'atu ime n'amụ nwa kama gbasara ịma nma ha na akuku n'ile, amamihe ha nke na enweghi atu na gbasara ike ha nke na enweghi nmebi. Ọnọdụ a ka sie ike n'ebe ndi ahụ na ezughi oke, ndi ogbenye na ndi agịdị nwanyị. Ndi a n'ile nwere ọnọdụ ha n'ime ọhù nke millennia2015. Ihe ndi a n'abụghi ezi okwu, bu nke akpọrọ ezi okwu, ịkpa oke na kwa nmeru ahụ nke ana enye ụmụ nwanyị, nsogbu n'akuku n'ile. Anyi bu n'obi ikwuzi ha na ọnọdụ iwu ụzọ ọhùo maka ọdi n'ihu.

Ụkpa adịghị eche echiche gbasara nwoke ma ọbụ nwanyị ma ọbụ ụmụ ole, ụkpa bu afọ n'ebe àkwà. Ebe ọbụla ahụru nwatakịrị akpịrị n'akpọ nkụ m'ọbụ agụụ n'agù, enwere nne ụkpa tùrù, nke agụụ n'agụ na nke akpịrị n'akpọ nkụ. ụmụ nwanyị akuọla nkpụrụ na mbọ nke eji adi ndu, ndi ọbụbu na mgbe ogbaaghara na ndi n'ahụ gbasara ọdi n'ihu n'udo. Ime poro ụmụ nwanyị ụzọ ka ha gua akwụkwọ, ahụ Tsi-ike, ime nkpebi gbasara ihe rure ha, i leka ta ka ha si akpata ego, ime nkpebi na ino na ọkwa di elu bu ụzọ aga esi mee ka oga n'ihu na udo dị n'obodo. Ma otu ọdi, nari afọ ndi gara otuto ụmụ nwanyị na ụmụ aka nata ahụhu n'uche, n'ahụ na imado ha ka ha nwe nmeko mgbe ha n'achoghi. N'ufo mpe gara nke ụwa, ụmụ ntakịrị nwanyị na ụmụ nwanyị ka ana egbu maka na ha bu ụmụ nwanyị, ana ete fu kwa afọ ime ma achoputa n'ọbụ nwa nwanyị ga ebu n'afọ, ụmụ ntakịrị nwanyị amụra ọhùu ga ana egbu kwa, ọtụtụ mgbe ka ndi agadi nwoke na amadọkwa ụmụ ntakịrị nwanyị ma dinakwa ha. Ana emegbukwa ha ọtụtụ mgbe site inwukata ha ma dupu ha obodo ha n'achoghi igba ọdi bo m'a ọbụ igba akwula, ana anara ha ihe rure ha na ihe nketa ha, adịghị ekwe ka ha gua akwụkwọ, ana ebi kwa ha ugwu, ana atu ha okute, ma kwa ha ilu di oke osiso mgbe ha na erubeghi ilu di ma ọbụ i tùrù ime mgbe ha na achoghi, itepu ime, na kwa ụzọ igba mkpe ojọ dị iche iche. Ndi isi nádighi nma na ndi nzuzu mgbe ọ bụla enwere ogba aghara n'ọbụ agha n'etiti obodo na obodo na amado ha, kpa gbue ma gbue kwa ha n'ihu ezi n'ụlọ ha.

ọtụtụ ụmụ nwanyị na ụmụ ntakịrị nwanyị ka ana eme ka ha bụrụ ohù n'aka ọtụtụ otu di iche iche: Nke a na eme ka ha hapụ ị ga ụlọ akwụkwọ, i ga ụlọ ogwu na ime ihe ha ga eji bara enwe ha uru na mgbe n'ihu. ọtụtụ ụmụ nwanyị enweghi ike n'ebe ahụ ha di. Adịghị ekwekwa ka ha mụọ ihe gbasara ahụ ha, anaghi ekwe ka ha mụọ ihe gbasara nmeko nwoke

na nwanyị, ụzọ ha ga eji na ebochi afọ ime ma ọbụ otu esi etepu ime nke ha na acho ghi ma ọbụ mgbe amadoro ha amado. Na obodo ndi nwere onwe ha, o bu ụmụ nwanyị nata ahụhu mgbe ọbụla ana enwe ọgba aghara, adịghị akwụ kwa ha ụgwọ dịka okwesiri, ekweghi ka ha banye na otu ọchịchị m'ọbụ i no n'isi ma ọbụ ebe di elu, nmekpa aru na ekweghi ka ihe rure mmadu rue ya aka. ụmụ nwanyị n'abukari ndi nke a na emetuta karia ụmụ nwoke. ọtụtụ ụmụ nwanyị ka ana eme ka ha bụrụ ndi dikariri nta, me kwa ka ha hapu inwe ike gbasara ọ dị n'iru. Ha ga aru ụzọ ga ejikota ndi ritere uru site na ima aka nri ha na aka ịkpa ha na ndi nke ana emegbu emegbu, ime ka ịdị n'otu ha sie ike na ime ka mmadu n'ile ghara otu.

Otu ọ dịla, n'ime oge n'ile ụmụ nwanyị nwere ikeke na ntachi obi nke na akwado ha imeputa ihe. Ha adịghị ahụta onwe ha dika ndi na adịghị ike, ha n'aga n'iru na igbaso ihe di ha niru maka ndu nke ụmụ ha, ezi n'ụlọ ha na kwa ọ ga n'iru nke obodo ha di iche iche. ụmụ nwanyị gbasiri ike, ma n'eme ka amara nke a. Ha na akwadosi ịdị n'otu ha ike ma na eme ka njikota ha gbasie ike site na otu di iche iche, nke na eduzi ụzọ ma na ebute kwa nbuli elu. Ha na ebulite nmụọ ha elu site na mbọ nke ụmụ nwanyị ndi ha na elere anya bu ndi kwadoro ụzọ n'ile maka ihe omimi, omenala, ọchịchị obodo and ụzọ esi aba uru. Ụmụ nwanyị agaghi akwusi igba mbọ nke ha n'agba na ihu na mmadu n'ile haa ọhatamụuhá ma ka mbuli elu na kwa ntukarita uche nke amam ihe. Ha na ewu okporo ụzọ nke na ejikota ndi riterela uru site nímata ihe rure ha na ndi na amataghi na ọnọdụ ka obi ha bụrụ otu na icho ka otu esi eme so nwoke na nwanyị bụrụ otu. ụmụ nwanyị na achikota, na emezi ma n'agbasa kwa amam ihe na <u>nmụta</u>, ihe omimi na ụkpụrụ na na ebute ọga n'ihu na obodo ha iche iche. Ha na abu ndi isi mbu n'ihu gbasara nmezu ihe ahụ ụwa n'ile kwezuru dika nkwekota otu puku na nari atọ na iri abua na ise nke otu na ahụ maka udo nke ụwa nile bu United Nations na obodo ha. ụmụ nwanyị akwusi beghi iguzo ọtọ n'ịdị n'otu n'ilu agha gbasara ihe rure ha.

Anyi n'aba na ọgbọ ọhù nke ụwa na ihe gbasara ọkụ, oga n'iru, mkpuchite na udo ohatamụugha nke ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị, nbuli elu nke ụmụ nwanyị, na i gu akwụkwọ bu ihe di ụwa n'ile n'obi: anyi ga ejikota aka n'otu, ibulite nmụọ nke ọgbọ ọhù a elu gbasara ebum na obi ọhùa.

**Abua: Ihe ndi di ụmụnwanyị nkpa na puku abua na iri abua na ise (2025)** Bia nu ka anyi ga n'iru mgbe oge di. Nime puku abua na iri abua na ise (2025) emewoka ọhatamụuha ndi nwoke na ndi nwanyị bụrụ ihe emesiri ike. Ụkpụrụ ọchịchị nke ụmụ nwanyị dika otu ukwu

nke jikotara ụwa n'ile si choo ya ebidole n'obodo n'ile. Enye kwara ha nkwado na ego aga eji na elekota ha. Nkwanye ukwu, ụkpụrụ di nma na ọchịchị oma bu kwa ihe di nkpa na obodo n'ile sitere na ị gbasi mbọ ike nke otu di iche iche nke ụmụ nwanyị nke ụzọ esi agbasa akuko n'ile di iche iche mere ka ọ dị mfe. Obi iwu n'otu abụrụla ihe emesiri ike: n'etiti ụmụ ntakịrị ụmụ nwanyị na ndi nwoke, na etiti ụmụ nwanyị na ụmụ nwoke, na etiti ndi jikọrọ obi ha onu n'ime ezi n'ụlọ, ụlọ oru na ndi ana achi achi. Na ezi okwu, ụmụ nwoke n'ile na ụmụ nwanyị n'ile amatala na ihe ndi a di nkpa bu ihe ga ebute ọga-na-iru na ụwa n'ile. Nmụta ihe omụmụ na udi di iche iche nke e ji ekwurita okwu na ebe ọbụla madu noo mere ka nkwerita ndi a nile gba mfe, omụmụ ihe na ụzọ esi ebuli mmadu elu n'ile di iche iche abụrụla ihe nadigide.

**Atọ: ụzọ ihe isii nke di nkpa na elu ụwa mmadu bi n'ime puku abua na iri abua na ise**

***Atọ na otu: Mbuli elu nke ụmụ nwanyị na ohatamụuha ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị bu ihe ga ebute oga ni ihu n'etiti ụmụ mmadu*.**

N'ime puku abua na iri abua na ise, ewebatala ihe ndi di nkpa na ebe ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị di ma mezie kwa ha ike na obodo n'ile. ụmụ nwanyị na ụmụ ntakịrị ndi nwanyị noro onwe ha ma rite uru site na mmepo ụzọ nke omụmụ ihe na nmụta, inye aka na nkụzi oru aka di iche iche. Emewo ka ogbaahaara bilata, ihe nmụta na abáyenwa kwa uba. ụmụ nwanyị na agba mbọ núzo esi akpata ego na ọchịchị na etiti ụmụ nwanyị na ụmụ nwoke. Ngbali ha n'ebe ihe nchoputa na ihe omimi nke ana ekwetaghi na mgbe gara aga abụrụwo ihe anabatara ma kwetakwa. Nke a putara ihe site na onyinye ukwu nke ikpe azu a enyere bu nke anakpọ Nobel Prize. ụmụ nwanyị ndi bi n'ime ime obodo na emepeghi emepe enwe wo obi uto, site na imata ihe rure ha na kwa ohatamụuha enyere ha n'ebe ụzọ esi akpata ego n'etiti ha na ụmụ nwoke. ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị na eketazi otu di oke. Mgba nke ana agba megide ụkpa bu ihe siri ike. Oga n'ihu gbara okpuruukpo nke a emewo ka obodo lukata olu n'otu nke na eweta oga na ihu. Ihe di mkpa bu ichoputa ụzọ ziri ezi nke aga e ji kwagide ụmụ nwanyị (n'ebe agụ m akwụkwọ, itu ime na imu nwa, i lekata ezi na ụlọ, nchegịdị na kwa izu ụmụ ha n'ụlọ akwụkwọ, nkwado maka mgbe nka, ohatamụuha n'ihe n'ile, inweta ọru na ikwu ugwo na oru aka di iche iche, inwe ike iga ụlọ ogwu na kwa ihe nmụta olu aka di iche iche) ihe ndi a n'ile ka steti na eme bụrụ kwa ihe di oke mkpa na otu na elekota ịdị n'otu nke ụwa n'ile nke ana kpọ United Nations na inaputa ihe n'ile emefuru

emefu n’ebe ndi uwe ojii na ihe n’ile eji lua agha na abụghi ihe ndi ana ekwuzi ugbua. Okwu nke ana kpọ “ụlọ ihe rure mmadu” bu kwa ihe ana emezu. Nke a na enyekwa aka na ikwado ha ma o bụrụ na anaghi emuzu ha, site na nlekọta nke otu ukwu ahụ jikotara ụwa n’ile

**Atọ na Abua- Nmalite ntughari uche na nghọta nke n’ebute ịdị n’otu site kwara na <u>ọhatamụuha</u> n’ebe ụmụ nwanyị na ụmụ nwoke di**

Na puku abua na iri abua na ise, nghọta na ntughari uche agbanwe la, nke a ebutela nkwanye ukwu na nsopuru na etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị. Ngbanwe nke a na ihe si nime ya puta na ebe ụmụ nwoke nọọ na ọhatamụuha na etiti ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị ebutela oke njikota aka na akuku ụwa n’ile. Ndi isi obodo n’ile na ndi si bu na ụmụ nwoke bu isi n’ihe n’ile amatala ugbua na ha gabu ndi ọchịchị nke ọga-ni-ihu ma o bụrụ na ha wepucha omenala n’ile nke na ebute nkpari na nmeru ahụ n’ile site na irite uru na ihe ụmụ nwanyị na eweputa nke na ebute ọdi nma nke ụwa níle na obodo ha di iche iche. ụmụ nwoke na ụmụ ntakịrị ndi nwoke anaghi ekwetakwa na okwu asi ndi a bu ndi ekwetaburu na ha bu ezi okwu gbasara ụmụ nwanyị bu ndi na kpata nmegbu na nmeru ahụ megide ụmụ nwanyị. ọtụtụ otu n’ahụ gbasara ụmụ nwoke na ụmụ nwanyị, ụlọ akwụkwọ nke ndi Dii eritela uru ma bụrụkwa ihe ngaga nye obodo n’ile nke na akpaso bu ụmụ nwanyị agwa ojoo. Nkesa oru ezi na ụlọ n’ile na etiti ụmụ ntakịrị nwanyị na ndi nke nwoke emewo ka onye ọbụla nwe oghere iku akwụkwọ ma ọbụ iru oru nke na ebute ọga-ni-ihu dika akara aka onye ọbụla si di. Ana kwado ụmụtakịrị ndi nwanyị ugbua ka ha tinye uche ha na ihe omimi di iche iche, ngbali nke ụmụ nwanyị n’ebe ihe nchọpụta na oru nke ọdi n’ihu na emekwa ka aku na uba nke obodo ha sie ike. Ihe ịnochi ụzọ n’ile na ebe ụmụ nwanyị nọọ abụrụla ihe efu, ana ewe kwa ndi isi ụlọ oru di iche iche site na oru aka ha na agbanyeghi ma ha bu nwoke ma ọbụ nwanyị.

**Atọ na atọ: Nbuli elu nke mmadu dika ụzọ esi anaputa ụwa n’ile na oru**

Na puku abua na iri abua na ise, ụwa n’ile kwadoro iwu na emegide igbu ụmụ nwanyị site na udi ọbụla: Obodo ndi kwadobụrụ itepu ụmụ no n’afọ achọpụtara na ha bu nwanyị na kwa ndi kwetara ka e gbue ụmụ nwanyị ma amụpta ha, na nmegbu na nkpagbu n’ile nke ana enye ụmụ nwanyị n’ihi na ahụtara ha dika oke ibu nye ndi nwe ha atughari wo uche n’ime ka ikpe ziri ezi guzọsie ike. Ana ana ba takwa ụmụntakịrị nwanyị na ezi na ụlọ ebe amụru ha ma na anabatakwa ụmụ nwanyị na obodo ha di iche iche. ọtụtụ obodo

etinyewọkwa iwu megide imado ụmụ nwanyị na oge ogba ahara di ma ọbụ na agha. Ihe omụmụ nke ana agbaso na ụwa n'ile tinyere okpurupu ihe asatọ ahụ bu nke ụwa n'ile kwetara imezu jegha rue na afọ puku abua na iri na ise bu nke ana kpọ *Millennium Development Goals* nke na amiputa ezigbo nkpụrụ nke na ewebatakwa udo na ọga n'ihu na etiti ụmụ mmadu.

**Atọ na anọ: Nmepo ụzọ na ebe ahụ isi ike na i gwọ ọria di bu ụzọ esi ebulite ụdi ndu ana ebi ugbua na mgbe n'ihu.**

Na puku abua na iri abua na ise, ndi ọkacha amara n'ihe gbasara ị gwọ ọria tumadi ụmụ nwanyị ka azuru, kwadokwa ha na ụzọ ọbụla na ọnọdụ ihu maka ahụ isi ike nke mmadu n'ile nke kacha nke ụmụ nwanyị na ụmụntakịrị na mgbe dum na asusu obodo ha na iji ihe nmụta omimi di iche iche na ime ime obodo di iche iche na kwa tinyere ihe onyinyọ dị iche iche. Ndi nwanyị bu ndi ruworo afọ iri na anọ ma ọbụ karia ka azuru dika ndi na agho nwa na obodo ebe achoro ha, na ọnọdụ ka a kwusi ụmụ nwanyị inwu site na afọ ime ma ọbụ omụmụ nwa. ụzọ esi azu mmadu ka ha mata ihe ha kwesiri ime na obodo na ihe rure ha enyewo kwa aka ime ka ọtụtụ oria ojoọ dị iche iche bilata dika obiri-na-aja-ocha (AIDS) na kwa ikuzi ihe omụmụ gbasara nmekọrịta nwoke na nwanyị na uzọ dị iche iche nke eji egbochi afọ ime. Omụmụ ihe nke afọ ime ka emere ka obụrụ ihe di oke mkpa na nmụta n'ile taa na kwa ọgbọ na abia abia. ịdị-na-otu nke ụwa n'ile anaghi ekwezi kwa ka emechibido ụmụ nwanyị ụzọ ihe nile bara uru nke eji adi ndu, dika mmiri, ụlọ akwụkwọ, ụzọ esi ebochi afọ ime, inweta oru na otu esi ejikota aku na uba: Ndi ọchịchị nke aghọpụtara eburuwo ihe ndi a n'obi dika ihe ha na ghaghi ime.

**Atọ na ise: Ihe gbara okpurukpu nke ụmụ nwanyị n'eme na ezi na ụlọ, na obodo, na nmụta, na ọchịchị, ihe omimi na aku na uba nke ezi na ụlọ ụwa n'ile**

Nime afọ puku abua na iri abua n'ile, ụzọ esi agbaputa ụmụ nwanyị site na omenala na echiche ndi si na ụmụ nwoke bu isi ga epota ihu. Nke a ga enye aka mee ka ụmụ nwanyị nweta ugwu karia nke ga ebute kwa ọga ni ihu na mbọ n'ile nke mmadu na agba ma mee kwa ka oru n'ile nke ụmụ nwanyị na aru nke ana anaghi agụnye ihe naghi kwa akwu ha ụgwọ ma ka ha bụrụ ihe etinyere n'ihe. Ndi n'ile tukatara aka i hu maka ọdi nma nke obodo aghọtala na ngba nwe nke obodọ dị oke mkpa na ị chọpụta ụzọ ọhùru a ga esi ga n'ihu. Ejiri ọtụtụ asusu na omenala di iche iche, otu di kwa iche iche ekwetawo kwa na ịdị na otu site

na igbasa amamihe na usoro esi amụ ihe nke ga abara ma ndi nta ma ndi okenye uru. Onye ọbụla nwere ọnọdụ nke ya site na ile do anya gbasara ọdi n'ihu. Ndi ọchịchị n'ile ekpebiwo ihu gbasara otu esi emefu ego na ala ha na ọnọdụ ihu na ụmụ ogbenye abụghi ndi echefuru echefu o kacha nke ụmụ nwanyị na ụmụ ntakịrị na obodo ndi na emepo emepo. Ihe ozizi n'ile nke ana ezi ụmụ nwanyị na ndi nne emewo ka ha mata ma kuzie kwara ụmụ ha maka nsogbu n'ile di na ilu agha na kwa igbochi ha ibu ndi ọ kpa egbe mgbe ha ka bu ụmụ ntakịrị. Eme wo ka ngbali n'ile nke ụmụ nwanyị bu ndi obia na ebe ha bi bụrụ ihe ana agụ nye na ihe na ọnọdụ iji bulie olu aka ha na nmụta ha elu na obodo ebe ha bi na kwa ikwado ha na i nyere ezi na ụlọ ha aka na obodo nke aka ha, na i kweta ngbali ha na obodo abua ndi a.

**Atọ na isii: Ihe ilelere anya ọhù nke ọgbọ na abia abia nke isi ya bu udo, nmụta na ịdị na otu.**

Na puku abua na iri abua na ise, ihe ilelere anya ọhùo nke ndu ọhù na ịdị na otu ka achọpụtara ma mezue kwa ha na ọnọdụ ka ha bụrụ ihe bara uru na mgbe na oge nke a. Amamihe ọhù di na ụzọ ọhù di iche iche esi agbasa okwu osiiso enyewo aka n'ebe ọ dị ukwu na ibuli ụmụ nwanyị elu. Site na nkwado nke ụwa n'ile  na i gbaso udo, atumatu agha abụghi zi kwa uka ana ekwukari.ihe nmụta na ihe ozizi  ka ana emesi ike i ji kwado nbuli te elu inweta oru. Nke a enyeworo ọtụtụ obodo aka bu ndi bara n'ọtụtụ ihe nsogbu site n'ihe isi ike. Ndi okenye ka ana elebara anya n'ihi na oke uru ha bara bu ikuziri ọgbọ ọhù ihe ha mutara n'aka ndi mgbo ochie. ịdị n'otu nke a n'ebute kwa ịdị n'otu n'ebe ndi nwoke na ndi nwanyị di,site n'otu ọgbọ rue na ọgbọ ọzọ na kwa ọtụtụ mmadu . O bu ụmụ mmadu bu ihe di oke mkpa na obodo n'ile.

Anyi nwere ikeke iro arọ. O bukwa oke na ọlụ anyi ịgba ngba na ilu ọgụ. Otu millennia 2015 nwere ụzọ ihe abua nke ha bu n'obi nke di kwa oke nkpa bu ọhù n'ụzọ esi emezu ha. Ebum n'obi a gbasara ikpọkata ụmụ nwanyị na ụmụ nwoke na ndi di nta ka ha nwe ike i were ihe rure ha site na uru nke njikota n'otu ndi a n'ile di iche iche.

**Anọ: Ihe ndi Millennia 2015 bu n'obi imezu n'ime puku abua na iri abua ise**

Na otu n'ile na ọgbako  dum na ụwa n'ile ,mpakara n'ile na obodo nile di iche iche ,otu millennia 2015 ga enye aka  na imezu ebum n'obi ụwa n'ile n'ebe ihe gbara ọkpụrụụkpụ asatọ ahụ nke  ha kwekọtara  ime tupu  afọ puku abua na iri na ise nke ana akpọ Millennium Development Goals tumadi  karia n'ihe abua ndia:


**otu**. ikwado ọdi na nma  nke ndi nwoke na ndi nwanyị site na ikwusi nmebu na nkpagbu n'ile otumadi n'ebe ụmụnwanyị na ụmụntakịrị ụmụ nwanyị no,i welite ọdi nma  na ahụ isi ike nke mmadu n'ile o kacha nke n'ebe ụmụ nwanyị ,ụmụ ntakịrị ndi nwanyị na ụmụ ntakịrị n'ile na ụwa n'ile.

**Abua.** Ime ka enwe ohatamụuha n'etiti ụmụ nwanyị na ụmụ nwoke na ọkwa ukwu n'ile, ọ kacha nke n''ebe ndi na echeputa maka iwu nke obodo n'ile. Nke a ga ebute nbuli elu nke ụmụ nwanyị na ebe n'ile nke ana atụ ero na ọnọdụ ukwu n'ile.

Otu ụzọ siri ike nke *Millennia 2015* ga eji mara nke a ga abu ị ghọpụta onye nwanyị ka ọ bụrụ onye isi na otu ukwu nke na ahụ maka udo nke ụwa n'ile na ọnọdụ ka eji zi na enwe la ntughari uche   na otu esi ahụta ụmụ nwanyị na ụwa n'ile ma lua kwa olu n'ụzọ ọhù puru iche nke  ga ewebata udo na ịdị na otu nke ụwa n'ile.

Millennia 2015,
site na onwa iri na afọ puku abua na iri na abua wee rue na onwa atọ na afọ puku abua na iri na atọ.






- Onye otu nke Millennium Development Goals Ambassdors (Nigeria)
- Onye otu *Millennia 2015* (Belgium)
- Onye nkuzi ukwu na mahadum nke Nasarawa Steti, keffi, Nigeria
- Onye Choputara Otu nke n'abughi govementi nwe ya nke anakpọ "kleen the Society  Outreach" bu otu n'agba ngba megide nmegbu nke ana emegide ụmụ nwanyi na ụmụntakịrị